IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Site n’onye-mkpagbu bụrụ onye-nkwusa ozi-ọma

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Chineke mere nnukwu ihe site n’aka ndị ya na Nzukọ-nsọ mbụ ahụ. Otu nwoke aha ya bụ Filip nọ na-akọrọ ndị mmadụ n’otu obodo ahụ gbasara Jizọs. Ma Chineke zigara ya n’ọzara. Gịnị kpatara?



Chineke maara na e nwere onye-njem n'ime ọzara ahụ, onye ọchịchị n'okpuru Lọọlọ Candace nke Etiopia.  Ọ nọ n’ala, ọ na-agụkwa akwụkwọ pụrụ iche.  Ị nwere ike ịma ihe akwụkwọ ahụ bụ?



Mgbe Filip rubeere Chineke isi, Chineke duuru ya ozugbo gakwuru onye ọchịchị nke na-agụ Okwu Chineke n’aghọtaghị ya.  Ọ gwara Filip ka o soro ya.

"Gịnị ka nke a pụtara?” onye-isi ahu jụrụ Filip.  Ka ụgbọ ịnyịnya ahụ na-agba n’okporo ụzọ ọzara, Filip meghere ọnụ ya ma malite n’ebe ahụ o na-agu n’Akwụkwọ Nsọ kwusaara ya ozi ọma Jizọs.





N’oge na-adịghị anya,
onye ọchịchị Africa ahụ
kweere ozi nke Akwụkwọ
Nsọ, na Jizọs Kraịst bụ Ọkpara
Chineke.  Mgbe ọ hụrụ mmiri, ọ sịrị,
“Gịnị na-egbochi ime m baptizim?”

Filip wee si, “Ọ bụrụ na i weere obi gi niile kwere, e nwere ike ime nke a.” Mgbe onye ọchịchị ahụ zara, sị, “Ekwere m na Jizọs Kraịst bụ Ọkpara Chineke,” Filip kpọọrọ ya gaa n’ime mmiri ma mee ya baptizim.





Ma mgbe ha siri na miri rigota, Mọ nke Onye-nwe-anyị kupuru Filip, nke mere na onye-isi Afrika ahụghị ya ọzọ. Ọ laghachiri Etiopia na-aṅụrị ọṅụ!

Ma ụfọdụ kpọrọ Ndị nke Kraịst asị. Ndị iwe na-achọghị ka o kwuo banyere Jizọs gburu Stifen, bụ́ otu n'ime ndị enyi Filip. Otu nwoke aha ya bụ Sọl onye Tasọs nyere aka gbuo Stifen. Sọl kpọrọ Ndị Kraịst niile asị.



Sọl, onye na-ekuputa ume iyi egwu na igbu ọchụ megide Ndị nke Kraịst, gakwuuru Onyeisi Nchụàjà wee nweta akwụkwọ ozi na-enye ya ikike ijide ndị ikom ma ọ bụ ndị inyom na-eso Jizọs.





Lee onye dịka
Sọl nke Tasọs!
Ọ maghị na mgbe
o mejọrọ ndị nke
Chineke, ọ na-emejọ
Onye-nwe-anyị Jizọs
n'onwe ya.  Chineke
aghaghị ịkwụsị Sọl
ime nke a.  Ma olee
etú Ọ ga-esi eme
nke a?

Chineke “jidere” Sọl!
Mgbe Sọl nọ n’ụzọ
obodo Damaskọs,
Chineke nwunyere
nnukwu ìhè sitere
n’Eluigwe.  Sọl wee daa
n’ala.  O wee nụ olu.





“Ị bụ onye, Onye-nwe-anyị?” Ka Sọl tiri na mkpu. “Abụ m Jizọs, onye ị na-akpagbu.” Sọl wee maa jijiji, ibobo wee ju ya ahụ. O wee jụọ sị, “Onye-nwe-anyị, gịnị ka Ị na-achọ ka m meere gị?” Jehova wee sị ya, “Bilie, baa n'obodo ahụ, a ga-egosikwa gị ihe ị ga-eme.”

Ndịkom ha na Sọl so nụkwara olu ahụ, ma ha ahụghi onye ọbụla.  Sọl wee si n'ala bilie, hụ na ọ kpuola ìsì! Ha duuru ya banye Damaskọs.



N'obodo ahụ, Sọl nọ n'ebe ahụ ụbọchi atọ, ọ dighi erikwa maọbụ ṅụọ ihe ọṅụṅụ ọbụla.  O nwere ike ịbụ na o ji oge ahụ ekpegara Onye-nwe-anyị Jizọs ekpere, bụ́ onye zutere ya n’ụzọ Damaskọs.



Chineke kpara ihe niile ahụ. Na Damaskọs, e nwere otu onye na-eso ụzọ Jizọs aha ya bụ Ananaịas. Jehova zitere ya ka o nyere Sọl aka. Ụjọ tụrụ Ananaịas. Ma o rubeere Chineke isi. Mgbe o bikwasịrị Sọl aka, ìsì ya wee pụọ - Sọl wee jupụta na Mmụọ Nsọ nke Chineke.



E wee mee Sọl baptizim. O wee rie nri. Ma mgbe ọ risiri nri, o wee di ike. Ike dị Sọl mkpa. O nwere ihe dị ezigbo mkpa ime.



Ozugbo Sọl kwusara Kraịst n’ụlọ nzukọ, na Ọ bụ Ọkpara Chineke. Ya mere ibobo nwụa ndị niile nụrụ n'ahụ, ha wee sị, “Onye a, Ọ bughị Onye ahu nke na-ebibi ndị nke Kraịst?”  Ma ụfọdụ kpara nkata igbu Sọl.





Ndị iro Sọl ọhụrụ lekwasịrị ọnụ ụzọ ámá obodo ahụ anya maka igbu Sọl ma ọ chọrọ isi n’obodo ahụ pụọ.  Ma ndị enyi ọhụrụ ya, bụ́ Ndị nke Kraịst, kuru ya n’abalị ma jiri nnukwu nkata buda ya n’elu mgbidi.



Ma site na mgbe ahụ gawa, Sọl onye na-akpagbu Ndị nke Kraịst biri ndụ dịka onye na-eso ụzọ Nna-ukwu ọhụrụ ya, Onye-nwe-anyị Jizọs Kraịst.

Site n’onye-mkpagbu bụrụ onye-nkwusa ozi-ọma

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọlụ Isi nke asatọ rue nke itoolu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.” Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.